# EBE ỊCHỤÀJÀ NKE ỌLÀ AHỤ: ỊGỤ MMADỤ N'ONYE EZIOMUME

**Ọpupu 27:1-8; 38:1-7; 40:28-32; Levitikọs 6:1-7; 7:1-7**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 72 - Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ buru na ayi ekwuputa nmehie-ayi, ọ bu Onye kwesiri ntukwasi-obi, buru kwa Onye ezi-omume, ka O we gbaghara ayi nmehie-ayi, sachapu kwa ayi ajọ omume nile" (I Jọn 1:9).**

**I Ebe Ịchụajà Nke Ọlà Ahụ Dị Nime Ogige Nke Ụlọikwuu Ahụ**

1. Enyere Moses ntụziaka zuruòkè maka owúwú nke ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ, Ọpupu 29:1-8; Ndi Hibru 8:5; I Ihe Emere 28:11, 12, 19; Ọlu Ndi-ozi 7:44
2. Alụrụ ọlụ ahụ náewepụghị ihe ọ bụla n'usoro na ntụziaka niile nke Chineke, Ọpupu 38:1-7; Jọn 14:23; I Samuel 15:22; Jemes 1:25
3. Edebere ebe ịchụàjà ahụ n'ebe ọ gaabụ na onye ọ bụla nke náaba n'ụlọikwuu ahụ ga agabiga na ya, Ọpupu 40:28, 29; Jọn 10:9; Ọlu Ndi-ozi 4:12
4. Ite ọsịsammiri ahụ ka edebere n'etiti ebe ịchụàjà ahụ na ụlọikwuu ahụ n'onweya, Ọpupu 40:30-32

**II Ebe Ịchụàjà Nke Ọlà Ahụ Ụdị Nke Ịgụ Mmadụ N'Onye eziomume**

5. Ajọomume nke mmadụ mere megide mmadụ ibe ya bụ kwa megide Chineke, Levitikọs 6:1, 2; 5:19
6. Onye ahụ nke ikpé mara aghaghị iweta ihe ịchụàjà nke ikpéọmụma iji chọta amara n'iru Chineke, Levitikọs 6:2-6; 5: 5, 6, 16; Ezra 10:19; Ndi Kọlọsi 1:14; Ndi Rom 5:6; I Pita 3:18; Ndi Galetia 3:13; Ndi Hibru 2:9
7. Onye nke náechègharị aghaghị ịkwụghachi ma dozi kwa ụzọ ya n'ebe onye ahụ o mehieworo megide nọ, Levitikọs 6:5; Ezikiel 33:15
8. Ka ewee nara ya nkeọma, àjà ahụ aghaghị ịbụ nke náenweghị ntụpọ, Livitikọs 6:6; Aisaia 53:3-7; 2 Ndi Kọrint 5:21; I Pita 1:18, 19
9. Anaefesa ọbara n'ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ ma suree kwa ụfọdụ nime ya ọkụ̀ n'elu ebe ahụ, Levitikọs 7:1-5
10. Nke ụfọdụ nime anụ ahụ ka ndị nchụàjà gaeri n'ebe nsọ ahụ, Levitikọs 7:6
11. Site n'ịchụàjà ahụ, okwukwe, nchègharị, na mkwụghachị nke sitere n'aka onye ahụ jehieworo, ya na ọbara ahụ nke onye nchụàjà naefesa, anaagbaghara onye ahụ mmehie niile ya, Levitikọs 6:7; Ndi Rom 5:9; I Jọn 3:5

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ebe Chineke Zutere Mmadụ

N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga anyị hụrụ àtụ̀mààtụ̀ ahụ dị ebube na usoro dị mma nke eji wue ụlọikwuu ahụ. Anyị chọpụtara, ná njikọta ya niile, na egosipụtara ụdị nke eziokwu n'ebe ahụ; na ọ naezipụta onyinye amara ukwuu atọ ahụ nke NdịKraist: Ịgụ mmadụ n'onye eziomume site n'okwukwe, Odudonsọ, na Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Anyị naachọ ugbu a ịmụta ihe nnọchi anya ndịa n'òzùzù òkè ya.

Ebe ọ bụ na Ụlọikwuu ahụ naanọchita anya mmadụ izute Chineke na kwa nnọnye nke Chineke naanọnyere mmadụ, anyị naahụ́ na ogige ahụ bụ ụdị amamikpé n'ihi mmehie. Ọ dịghị onye ọ bụla nke náabata nime Ụlọikwuu ahụ ma ọ bụghị na o bu ụzọ bịa ịchọ Chineke maka mgbaghara. Iru Chineke dị kwa n'ihe nsọ niile ahụ, ọ dịghị kwa onye pụrụ ịbata ma ọbụghị náání ndị Chineke rọpụtara maka ijéozi n'òfùfè nke Ụlọikwuu ahụ. Ndị Israel mara ụlọikwuu ha n'ebe dị icheiche dịka ntụziaka ha natara si dị, Ụlọikwuu ahụ naadị kwa n'etiti. Nke a mere ka ọ dịrị onye ọ bụla mfé ịbànye nime ya, ma ebe ọ bụ na iru Chineke naadị n'ebe ahụ, o wee bụrụ ihe anaasọpụrụ nke ukwuu. Náání ndị ji obi ha náefè òfùfè maọbụ ndị nwere ibu arọ nke mmehie nke náachọ nchègharị pụrụ ịbịaru ya nso, n'ihi egwù nke ikpé mberede nke náaghaghị ịbịakwasị onye ọ bụla nke náemehie n'ebe ahụ.

Ụmụ Hibru n'oge nke Moses ejikereghị ịnabata ụdị òfùfè Chineke dịka Jisọs gwara nwanyị ahụ n'olùlùmmiri Saika (Jọn 4:21-24). Chineke naedu ụmụmmadụ site na nzọụkwụ rue ibe ya iji mee ka ha mata àtụ̀mààtụ̀ Ya. Iwu ahụ na ịtọntọala òfùfè nke Uloikwuu ahụ bụ otù nzọụkwụ nke iji mee ka mmadụ bịarue Chineke nso, ma Israel bụ kwa ngwaọlụ nke Chineke iji mee ka amata uche Ya n'ebe ụwa niile nọ.

### Mmezu Nke Ụdị Ahụ Niile

Ụlọikwuu ahụ, dịka anyị naahụ́, ka achọrọ mma n'ụzọ náegosi ọtụtụ ihe nọchiri anya eziokwu nke Oziọma ahụ dị ukwuu, ụfọdụ nime ha ka ndị Israel jidesịrị ike n'oge nke ha, ma ndịọzọ ka akwadobere nye oge ikpeàzụ̀ ndịa n'ebe dị icheiche. Anyị kwesịrị inye Chineke ekele na O mere ka anyị bụrụ ndị nwere oghere ịdị ndụ mgbe Ọ naenye ngọzi Ya náenweghị ọ̀tụ̀tụ̀ n'etiti ụmụmmadụ! Ọ dịghị kwa mkpà na anyị gaeguzo n'èzí mgbe onye ọzọ gaaba nime Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ niile náarịọrọ anyị arịrịọ! Anyị pụrụ ịbà n'onweanyị wee nwee ezi mmekọ ahụ anyị na Chineke. Mmụọ Nsọ pụrụ ime ka obi anyị bụrụ ụlọ nsọ Ya ugbu a wee biri kwa nime anyị, ịbịa nọnyere anyị náání nwaoge (Jọn 14:16-18).

Onyemmehie, nke nwere amamikpé n'ihi mmehie ya, na abịakute Chineke site n'ịbịa n'ọnụụzọ mbata nke Ụlọikwuu ahụ. Ọ naeweta onyinye n'ihi mmehie ya, n'ihi náagbanyeghị otú o si nwee mmasị ịnata ihe niile bụ́ nke Chineke kwadobere ya, ọ pụghị ịnata ngọzi ahụ bụ́ nke anaenye site n'Ebe Nsọ ahụ, maọbụ site n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile, rue mgbe o buru ụzọ bịa n'ogige ahụ na n'ebe ịchụàjà nsureọkụ̀ ahụ. Ọnọdụ ya nime ogige ahụ naegosi na mmadụ enweghị ụzọ isi jekuru Chineke ma ọ bụghị náání dịka onye mmehie agụworo n'onye eziomume site n'Ọbara Kraist.

Chineke nyere ndụmọdụ dị icheiche banyere ọtụtụ àjà dị icheiche anaachụ, ha niile n'otù n'otù nwere ihe ha nọchitara anya ya n'ebe dị icheiche; ma Jisọs dịka Àjà ahụ Zuruòkè nke achụrụ mezuru ha niile. Òfùfè nke mgbe ochie ahụ bụ otù nzọụkwụ nke ezi Àjà ahụ nke zuruòkè; ndị ahụ náefè òfùfè naele anya n'iru site n'okwukwe mgbe agaemezu àjà ahụ, ma anyị onweanyị naeleghachi anya n'àzụ́ n'okwukwe náahụ́ mgbe ahụ emezuru yarịị.

**Otú Esi Wue Ebe Ịchụàjà Ahụ**

Ebe ịchụàjà ahụ nwere oghere, nke eji osisi mee wee were ọlà machita ya. Ọ dị ihe ra ka fit asaa na ọkara n'akụ̀kụ̀ anọ ya ra nrata, ịdị elu ya dị kwa fit anọ na ọkara. Ọkụ dị na ya bụ ihe amụnyere n'ụzọ dị ebube ọ dịghị anyụ kwa mgbe ọ bụla, ebe ọ bụ ndị nchụàjà naeme ka ọ náenwu mgbe niile site n'itinye ǹkụ́ ọhụụ nime ya dịka achọrọ (Levitikọs 6:9; 9:24). N'akụ̀kụ̀ anọ ahụ n'otù n'otù ka mpi dị bụ́ nke ọtụtụ mmadụ nyeworo nkọwa dị icheiche banyere ha. Onye dere Abù Ọma naakọwa na ha bụ ihe náenye aka ime ka echebezie àjà ahụ nkeọma (Abù Ọma 118:27). Eleghịanya eji kwa ya chọọ ebe ịchụàjà ahụ mma. Anyị naagụ n'Akwụkwọnsọ banyere ndị "jidere" mpi ahu mgbe ha naarịọ Chineke arịrịọ n'ihi na ha nọ n'óké nsogbu nke mkpụrụobi. Ebe ịchụàjà ahụ bụ̀ ebe mgbaba dịrị onye anaachụ ọsọ n'ọ́bọ̀ n'ihi na o mejọrọ mmadụ ibe ya náamaghị ama. Ma onye kpacharaanya gbue mmadụ ibe ya naachọ mgbaba n'ebe ahụ n'efu, n'ihi na site n'iwu nke Chineke aghaghị ịdọkpụrụ ya kpee ya ikpé ziriezi.

**Ihe Mere Eji Achụàjà Mmehie Ahụ**

Achụworị àjà dị icheiche ná mmalite. Àjà Ebel tọrọ Chineke ụtọ; n'ihi nke a anyị pụrụ ikwenye na akụziworo ya rịị ihe banyere àjà ahụ ka mma. Náání otù mgbanwe bụ nke dị na mgbe ahụ amalitere òfùfè nke Ụlọikwuu ahụ. Noa, Abraham, na Job chere àjà dị icheiche n'iru Chineke. Ma site n'okwukwe ha nime Chineke ha natara ọ̀zị́zá, ndụ ha naagbá kwa àmà na ha mere ihe tọrọ Chineke ụtọ.

Àjà mmehie ahụ naegosi ịdị ukwuu na ịdịnsọ na òzùzùokè nke Chineke náeme kwa ka aghọta na mmadụ erughịeru na ya. O kpughere eziokwu ahụ na onye ahụ nke náeche àjà ahụ bụ̀ onye kwesịrị ịta ahụhụ nke ọnwụ ma na iheọzọ aghaghị ịnwụchitara ya ọnwụ iji wee mezue ikpé ziriezi ọ bụrụ na ọ dịghị otú a ya onweya gaabụ onye furuefu. Ezi nleruanya nke eji arọpụta ihe ahụ eji achụàjà naegosi na ọ dị otù àtụ̀mààtụ̀ pụtara ìhè enyere nke bụ na àjà ahụ aghaghị ịbụ ihe Chineke gaanara iji mezue ihe Ọ naachọ. Ma mgbe anyị naeji ezi nleruanya náatụgharị uche n'Okwu Chineke wee hụ́ uche Ya n'ebe anyị nọ anyị naaghọta na anyị agaghị eji ihe dị ala bịa -- ọ bụ ezie na adịghị achọ kwa ka anyị weta àjà dị icheiche dịka n'oge Àgbà Ochie, ebe ọ bụ na Nwaatụrụ Chineke awụsawo Ọbara nke ndụ Ya n'ihi mgbaghara mmehie na mgbapụta anyị.

**Mkwụghachị -- Mgbe Ahụ na Ugbu a**

Ọ dị otù ihe ọzọ bụ̀ nke onye ahụ nke mehieworo náaghaghị ime. Ọ ghaghị idozi ihe o mejọworo n'ebe Chineke maọbụ mmadụ nọ. Ọ gaatụkwasị ụmá n'elu ihe ahụ o ji n'ụgwọ iji kwụghachị ihe niile o mebiworo n'oge ahụ o mebiri ihe ahụ rue mgbe ahụ o ji bịa idozi ụzọ ya. Mkwụghachị kà bụ kwa eziokwu ọzọ nke dị na Baịbụl bụ́ nke ụmụmmadụ naachọ ịrapụ n'ụbọchị taa.

**N'ọnọdụ Anyị**

Àjà mmehie a dị ka mkpọsa dị óké nsọ nye Onye Ju na Onye Mbaọzọ na mmadụ niile emehiewo nke ukwuu n'iru Chineke na ha apụghi kwa ịbịaru Ya nso maọbụ nweta iruọma Ya ma ọ bụghị site n'Ọbara. "Ọbara!" bụ̀ iti mkpu ahụ n'enweghị ọgwụgwụ nke bụ́ kwa ezie nke Iwu ahụ naetiku onye ọ bụla mebiri ụ̀kpụ̀rụ̀ ya niile; tupu rue mgbe akwụsịrị iti mkpu ahụ wee mezue kwa ihe ahụ achọrọ ọ dịghị onye pụrụ ịhụ́ iru Chineke wee dị ndụ.

N'iweta àjà ahụ, onye ahụ naewere ya dịka nke ya; na o wetara ya n'ihi mmehie ya niile; na ya onweya kwesịrị ọnwụ; na ya rịọrọ Chineke ka Ọ nara ndụ nke anụ ahụ nke náemeghị ihe ọjọọ ọ bụla n'ọnọdụ nke ya onweya. Ọzọ anyị naakọwa na ihe ndịa aghaghị ịnaatụ̀ aka n'otù ụzọ maọbụ n'ụzọ ọzọ (site na ngwaọlụ nke okwukwe) nye Onye ahụ nke anaaghaghị iji ndụ ya chụọàjà n'ihi mmehie.

Anaefesa ọbara ahụ n'elu ebe ịchụàjà ahụ wee nwee mkpuchi mmehie n'ụzọ dị otú ahụ. Iwu ahụ naachọ ka enye ndụ iji gbapụta ndụ ọzọ; n'ihi nke a ọ dị mkpà ka achọta onye gaanwụchitara mmadụ ọnwụ. Onye mmehie apụghị ịnwụchịtara onyeọzọ ọnwụ, n'ihi na ya onweya nọrị n'otù ụgwọọlụ ahụ nke ọnwụ n'ihi mmehie nke ya onweya. Ma otú ọ dị, ọ dị náání otù Onye nke pụrụ imezu ihe niile Chineke chọrọ. Onye ahụ bụ̀ Jisọs, n'ihi na náání Ya bụ̀ Onye náenweghị mmehie. Àjà ahụ nke eji anụ dara ogbi achụ gaabụworị ihe náabaghị urù maọlị ma ọbụghị na ọ naegosi Nwaatụrụ nke Chineke nke náabịa Onye nyere ndụ Ya ịbụ ihe mgbapụta nye ọtụtụ mmadụ.

Nke a ka anaakpọ òzízí nke iwere ọnọdụ onye ọzọ, bụ́ nke ọtụtụ mmadụ naagba mgbà megide. Ụfọdụ naesi agụgọ otú o si bụrụ ihe pụrụ ime, ụfọdụ naagbaghá izi ezi ya. Ma échìchè niile nke Chineke abụghị échìchè anyị.

Ọ dị ọtụtụ ihe nke échìchè miriemi dị nime ha bụ́ nke mmadụ náelebabeghị anya nime ha na ọtụtụ ihe ziriezi nke mmadụ náenwebeghị anya mmazu ha; n'ihi gịnị kwa ka anyị gaeji were erughịeru nke échìchè anyị náewepụta ntụpụta dị icheiche nke náezighịezi imegide mkpughe niile nke akụ̀ dị omimi dị kwa obosara dịka échìchè nke Chineke.

**"Onye Ná-achọ"**

Ọ dị eziokwu ọzọ kwesịrị ka arịba ya ámá banyere ịchụàjà nke a, nke ahụ bụ̀ inwere onwe zuruòkè nke "onye na-achọ" pụrụ ịrọpụta n'onweya inweta urù dị icheiche dị na ya. Ọ dịghị oge pụrụ iche arọpụtara maka nke a. "Ugbu a bu oge nzọputa." Ọ bụ n'efu n'oge ọ bụla bụrụ kwa ihe onye ọ bụla pụrụ inweta na mgbe ọ bụla ọ dị ya mkpà.

Ọ bụrụ na onye ahụ nke náeru ùjù n'ihi mmehie ya apụghị inweta nwaatụrụ mgbe ahụ agwara ya, apụrụ ịnata nduru, maọbụ kpalakwukwu. Ma ebe ọ bụ na nnụnụ ndịa bụ ndị bi nime ọhịa, ụzọ agaesi nweta ha agaghị abụ ihe ngọpụ nye onye ọ bụla ka ọ ghara iweta onyinye ahụ. Ihe achọrọ n'aka mmadụ ọ bụla bụ̀ náánị inwe mgbalị ma kpebi kwa n'obi-ya – mkpebi nke sitere n'échìchè Ya onweya. Nke a abụghị ihe mere na mberede. Nke a naegosipụta eziokwu ahụ dị ukwuu nime Oziọma ahụ, ọkpụkpọ òkù maka nchègharị nye mmadụ niile.

**Ọ Bụrụ Na Onye Agbagharaworo Na Mgbe Garaaga Enupuru Chineke Isi**

Ọ bụrụ na otù onye nime ndị ahụ emehie megide iwu Chineke mgbe ọ batasịrị n'okpuru iwu ahụ ọ dị mkpà ka o weta kwa àjà mmehie ọzọ wee chọta mgbaghara nke mmehie ndị ahụ. Nke a bụ ebe ọzọ n'Akwụkwọnsọ nke náemegide òzízí ahụ mmadụ niile matara nke anaakpọ "nchebe ebighị-ebi" nye onye kwereekwe. Ọ bụrụ na onye ọ bụla emehie megide Chineke maọbụ mmadụ ọ ghaghị iweta onyinye ọzọ wee chọta mgbaghara ọzọ tupu o nweeike isoro ndị nke Chineke nwee mmekọ maọbụ ifè Chineke òfùfè nime ụlọikwuu Ya.

**Àjà Nke Ụtụtụ na Nke Anyasị**

N'ihi ọ dị mma nke ụmụ Israel Chineke nyekwara iwu nke àjà nsureọkụ̀ dị icheiche. Iwu a jikọtara àjà nsureọkụ̀ abụọ agaesure kwa ụbọchị, ụtụtụ na anyasị, tinyere àjà pụrụ iche nke ụbọchị Sabat na nke ụbọchị ndịọzọ nke ememe dị nsọ, dịka Ụbọchị Mgbapụta. Ndị a ka anaeme kwa na mgbe ụmụ Isarel nọ ná nsogbu wee hụ́ kwa na ọ dị mkpà ka ha bịarue nso Chineke karịa, dịka mba maọbụ mmadụ niile n'otù n'otù.

Israel rapụrụ ezi òfùfè ahụ ọtụtụ ugbò wee tụgharịa gaa ọbụná ebe dị anya site n'ezi Mmụọ nke okwukwwe na nchègharị nke na Chineke kpọrọ àjà ha niile ihe arụ̀ nye Ya. Ma ka ha naanọgide n'ezi òfùfè ahụ náachụ kwa àjà nsureọkụ̀ ndịa n'iru Chineke dịka ihe ncheta nke ezi Mkpụrụ ahụ bụ́ nke gaje ịbịa nke Setan gaechifịa ikiriụkwụ Ya (Jenesis 3:15), àjà ahụ niile ka Chineke gaanara nkeọma.

Àjà ndịa niile adịghị akwụ ụgwọ mmehie mmadụ niile n'otù n'otù, kama ha naatụ̀ aka ngọzi niile nke dị ná mkpuchi mmehie ahụ kachasị ukwuu: nsacha nke ọbara ahụ nime obi anyị niile kwa ụbọchị, ọgwụgwọ nke arụ̀ anyị, mkpà nke nsacha náesepụghịaka dị, na kwa inyeaka ọsọsọ n'oge nsogbu na egwù. Ma n'ihi mgbaghara mmehie nke onye ahụ jehiere maọbụ onye daghachiri àzụ́ ọ ghaghị iweta àjà mmehie nke onweya.

Ọ bụ ihe dị ebube ịhụ́ otú ùkpụ̀rụ̀ niile nke dị n'oge ịchụàjà nke iwu ahụ si bụrụ ihe emezuru nime Kraist. Ọ nwụrụ na Kalvarị ka O wee mezue àjà ndịa niile, ebe akpọgidere Ya n'obe n'oge àjà nke ụtụtụ ma mgbe emesịrị O kubiri ume na mgbe anaegbu anụ nke àjà anyasị. Ndị Israel niile naezukọ n'èzí gburugburu ogige ahụ ifè òfùfè mgbe ọ bụla anaegbu anụ ndịa n'otù n'otù ọ bụ kwa imezu nke a ka anyị onweanyị naezukọ n'otù n'ụlọukwu Chineke ịkpọ isiala nye Chineke nke Eluigwe Onye zitere Nwaatụrụ ahụ nke náenweghị ntụpọ ka Ọ nwụọ n'ihi anyị.

Site n'ihe ndịa niile anyị naahụta ịhụn'anya nke Chineke na mmetụ O nwere n'ebe ụwa niile daraada nọ. Lee otú ụzọ Ya niile si dị ebube! Lee otú àtụ̀mààtụ̀ Ya niile bụ ihe jurueju n'izuòkè! Lee otú ùkpụ̀rụ̀ Ya niile si bụrụ ihe jikọtara ihe niile, nkekankè mgbe anaatụpụta ha maka mkpà niile nke mkpụrụobi nke ụmụmmadụ náadịghị anwụanwụ! "Àjà nile nke Chineke bu mọ tiwara etiwa: Obi tiwara etiwa na nke egwepiara egwepia, Chineke, I digh-eleda ya anya" (Abù Ọma 51:17).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Banyere Ụlọikwuu ahụ, òlee ebe ka ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ dị?
2. Gịnị bụ̀ ọ̀tụ̀tụ̀ ya, òlee kwa otú esi lụọ ya?
3. Gịnị bụ iheọzọ dị ya nso?
4. Gịnị mere àjà mmehie ahụ jiri dị mkpà?
5. Gịnị ka onyinye ịnata iruọma ndịa naatụ́ aka?
6. Òle ihe ogige ahụ naegosipụta?
7. Gịnị bụ̀ onyinye amara nke ndị Kraist nke onye náechègharị naanata mgbe ọ naeweta ihe ịchụàjà ya n'ebe ịchụàjà nke ọlà?
8. Gịnị bụ̀ ihe náadị onye ahụ nke naáachọ nchègharị mkpà nime obi ya mgbe ọ bụla ọ naabịa?
9. Òlee otú esi achụàjà mgbapụta ahụ?
10. Gụa Aisaia 1:2-20 kpebie ihe mere àjà ndị ahụ agụpụtara n'ebe a ji bụrụ ihe anaadịghị anara nkeọma?